ÉKWÉ JỌNAL NKE NDỊ IGBO SCHOLARS FORUM, NIGERIA. Volume 4 No 2, *September*, 2017

# Nnwemagba Asụsụ Nye Echiche Na Nsirihụ Asụsụ Igbo

**Patrick Umezi**
Department of Igbo, African and Asian Studies
Nnamdi Azikiwe University, Awka
ikennaumezi@yahoo.com

## Ụmịedemede

Nchọcha a bụ maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo. Ihe nwanchọcha bu n'obi bụ ịchọpụta etu asụsụ si nwe agba nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo. ọ gbasoro atụtụ Sapir na Whorf (1948) wee nye nkọwa ya. Ka e mechara nchọcha a, a chọpụtara na nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo pụtara ihe n'ebe ndị a: etu ndị Igbo si agụ ihe aha; Etu ha si agụ ihe ọkpụ aha dị iche na etu ha si agụ ihe mbịa mbịa aha, site n'ihe nhụrụnuche dị iche iche, okwu mbite, site n'imepụta ihe ọkpụ dị iche iche, na kwa site na nsịnakwụkwọnsọ. Ihe ndị a gosiri na asụsụ nwere agba nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo.

## Mkpọlite

Fịlọsọfị asụsụ bụ akụkụ amụmamụ asụsụ na-agba mbọ ịchọpụta ma kọwaa ihe gbasara asụsụ n'ebe ọ na-agbagwoju ndị mmadụ anya. ọtụtụ ihe gbasara asụsụ bụ nke a na-agbagha na fịlọsọfị asụsụ. Otu n'ime ha bụ asụsụ na echiche kedu nke nwere agba nye ibe ya? Mgbagha a ka dị ruo taa. ụfọdụ sị na ọ bụ asụsụ ka echiche wee nwe agba maka na ọ bụ asụsụ na-amụta echiche, ebe ụfọdụ kwenyere na ọ bụ echiche na-amụta asụsụ. N'aka nke ọzọ ndị otu nke atọ sị na asụsụ na echiche na-agakọ ọnụ. Ihe ọ pụtara bụ na o nweghi nke ka ibe ya. Ha sị na e wepu echiche, asụsụ agaghị adị, e wepukwanụ asụsụ, echiche agaghị adị.

A bịa na ndị kwenyere na asụsụ nwere agba nye echiche, ha na-akọwa na ọ bụ asụsụ na-enye ndị mmadụ echiche ha ji achịkọba ihe ha na-eme na mmekọrịta ọha na eze. ọtụtụ ndị mmadụ edeela banyere nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ dị iche iche iji kwuwapụta na nkwenye ha bụ ọkaibe; mana o nwebeghi onye derela maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo. Nke a gosiri na e nwere oghere e kwesiri imechi niihi na e kwesiri ịchọpụta etu nkwenye a si bụrụ eziokwu na nsirihụ asụsụ Igbo. ọ bụ nke a kpatara nwanchọcha ji kpebie ime nchọcha n'isi okwu a.

## Ntuleghari̥ Agụmagụ

N'ebe a nwanchọcha ga-atụleghari̥ nkọwa ndị mmadụ merela n'isiokwu na kwa ihe ndị ọzọ e derela n'isiokwu.

## Nkọwa Asụsụ na Echiche

Van na Robert (2001) kọwara asụsụ dị ka usoro mmekọrịta nke ndị mmadụ si eji okwu ọnụ na akara ndị ọzọ eme ka a mata ihe ha bu n'obi.

Trask (2007) n'aka nke ya sị na asụsụ bụ ụzọ obodo maọbụ agbụrụ dị iche iche si emekọrịta site n'okwu ọnụ, ihe e dere ede maọbụ akara dị iche iche nke na-eweta ndịiche site n'otu obodo ruo n'ọzọ, maọbụ site n'otu agbụrụ ruo n'ọzọ.

Lyons (1981) na-ekwu na asụsụ bụ usoro nhazi mmekọrịta ọhanaeze nke ihe mejupụtara ya bụ ụda, mkpụrụokwu na asụmasụ site n'otu obodo ruo n'ọzọ.

Caianiello (1961) kọwara echiche dị ka ị nọdụ na mmụọ maka otu ihe, maọbụ ilegara otu ihe anya, ịtụ alo, maọbụ atụmatụ gbasara otu ihe maọbụ nke ọzọ.

Pinker (2008) n'aka nke ya sị na echiche bụ atụmatụ maọbụ ịchịkọta ọtụtụ atụmatụ nke ga-eme ka a chịgharịa mmụọ maka otu ihe maọbụ nke ọzọ.

Ndị niile kọwara asụsụ na echiche dị ka anyị si hụ n'ebe a gbarịrị nke ukwuu; mana etu o si metụta nchọcha a, asụsụ bụ ụzọ dị iche iche ndị mmadụ si eji okwu ọnụ na omume nke nwere nghọta n'etiti ndị nwe ya wee eme mmekọrịta n'etiti onwe ha.

N'aka nke ọzọ, echiche bụ usoro mmadụ ji abanye n'ime onwe ya wee chịgharịa uche gbasara gburugburu na kwa ihe ndị ọzọ metụtara ya.

## Ntụleghari Ihe ndị E Derela n'Isiokwu

Whorf (1956) mere ka anyị mata na asụsụ dị iche iche na-eme ka ndị mmadụ nwee nsirihụ dị iche iche. ọ gara n'ihu kwuo na asụsụ bụ ugegbe ndị nwe ya (asụsụ) ji ahụ ụwa. Na nkọwa ya, ọ bụ asụsụ na-enye ndị mmadụ echiche maka ihe ndị dị n'ime ụwa ma ndị a na-ahụ anya na ndị a naghị ahụ anya.

Nchọcha Whorf bara uru nke ukwuu maka na o nyere aka wee kọwaa mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na echiche ka o si metụta mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Nchọcha ya so wee tọọ ntọala maka nkwado na ịkọwa etu asụsụ si nwe agba nye echiche. O yitere nchọcha a maka na ha abụọ na-ekwu maka nnwemagba asụsụ nye echiche. Mana ọ dịkwa iche na ya maka na nchọcha Whorf na-arụtụ aka n'asụsụ ụwa niile, mana nchọcha a bụ maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo. Ya bụ na nchọcha ya egboghi nsogbu nchọcha a.

Langacker (1991) n'aka nke ya na-akọwa na obodo ọbụla na agbụrụ ọbụla nwere nsirihụ e jiri mara ha. Nke a bụ etu ha si ahụta ụwa ma na-egosipụta ya site n'asụsụ ha. ọ bụ nke a kpatara na ndị ọbụla agaghị echeli echiche banyere okwu

ọbụla adịghị n'asụsụ ha. ọ gara n'ihu kwuo na ka asụsụ na-ebitewanye okwu ka asụsụ ahụ na-etowanye, echiche ndị nwe ya a na-agbasawanye.

Nchọcha Langacker bara uru nke ukwu. ọ na-egosi na echiche gbadoro ụkwụ n'asụsụ. Ka asụsụ na-eto ka echiche ndị nwe ya na-agbasawanye, maka na ọ bụ asụsụ bụ ide ji echiche. Ihe adịghị n'asụsụ agaghị abatanwu ndị nwe asụsụ ahụ n'uche. Nchọcha ya yiri nchọcha a maka na ha abụọ na-ekwu maka nnwemagba asụsụ nye echiche mana ọ dị iche na nchọcha a maka na nchọcha a gbadoro ụkwụ na nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo. Ya bụ na nchọcha Langacker egboghi nsogbu nchọcha a.

Anedo (2013) kọwapụtara na ọ dị ụzọ ihe atọ a na-ebu n'obi ma a na-eme nchọcha maka mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na echiche. Nke mbụ bụ ndịnasụsụ ahụ bụ isi nchọcha. Nke abụọ bụ nkwenye n'etu mmadụ ga-esi ghọta asụsụ na echiche. Nke atọ bụ I bu n'obi na ime nchọcha ntụlekọrịta n'asụsụ si n'omenala dị iche iche na-ebute nsogbu n'usoro nchọcha nke mgbochi ya na-esi ike.

Nchọcha Anedo bara uru nke ukwuu maka na o nyere aka n'ịmatawanye mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na echiche. O yiri nchọcha a maka na ọ na-arụtụ aka n'asụsụ na echiche. N'aka nke ọzọ, ọ dị iche na nchọcha a maka na nchọcha Anedo na-ekwu maka asụsụ niile ebe nchọcha a bụ maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo. Nke a gosiri na nchọcha a ka dị mkpa.

Lehman (1993) chọpụtara na ọrụ asụsụ na-arụ abụghị naanị ịnabata ozi na kwa izipu ozi n'ụwa; mana ọ nọkwuazi ọrụ ịgbazi ka echiche ndị mmadụ si aga.

Nchọcha Lehman bara uru nke ukwuu niihina o nyere aka n'ịkọwami ọrụ asụsụ na-arụ nye echiche iji gosi n'ezie na

asụsụ nwere agba nye echiche. O yitere nchọcha a maka na ọ na-akọwa etu asụsụ si agbazi echiche. ọ dịkwuazi iche na nchọcha a maka na nchọcha a gbadoro ụkwụ na nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo, ebe nchọcha Lehman na-arụtụ aka n'ọrụ asụsụ na-arụ nye echiche.

Ewelu (2010) na-akọwa na ọ dị ụzọ nkwenye atọ iji gosi na asụsụ nwere agba nye echiche. Nke mbụ bụ ụdịdị na agwara asụsụ ọbụla na-ekpebi etu ndị nwe ya (asụsụ) si eche echiche, erote ihe nakwa ahụ ụwa. Nke abụọ bụ nkwenye na asụsụ dị iche iche na-ahụ ụwa n'ụzọ dị iche iche na-agbazikwa etu ndị nwe ya si ahụ ụwa. Nke atọ bụ nkwenye na ndịiche dị n'asụsụ na-emetụta mmekọrịta ọhanaeze. Na nkwenye atọ ndị a, ọ sị na nke mbụ kacha wee sie ike, nke abụọ na-esote ya, ebe nke atọ esichaghị ike.

Akwanya (1999) na-akọwa na ọ bụ site n'asụsụ ka e ji enye ma ihe a na-ahụ anya, ma ihe a naghị ahụ anya echiche. Akụkọ ifo niile gbasara ala mmụọ maọbụ obodo ụmụ anụmanụ na ihe nhụrụnuche niile bụ asụsụ na-akpalite ha ma nye ha echiche n'obi mmadụ.

Nchọcha Akwanya bara uru nke ukwuu maka na ọ kọwara na e wepu asụsụ, ihe nhụrụnuche agaghị enwe echiche ọ bụla. Ya na nchọcha a yitere maka na ha abụọ na-ekwu maka nnwemagba asụsụ nye echiche. N'aka nke ọzọ, ha dị iche maka na nchọcha Akwanya na-ekwu maka etu asụsụ si enye aka n'ịmata ihe nhụrụnuche, ebe nchọcha a na-ekwu maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo.

Piaget (1968) na nkọwa o nyere maka uto ụmụaka na-akọwa na ọ bụ asụsụ na ihe ndị ọzọ ka echiche ji eto. ọ kọwara na asụsụ dị mkpa maka echiche ụmụaka itu uto. N'aka nke ọzọ, ọ sị na e wepugodu asụsụ, echiche ga-eto mana asụsụ na-enyere ya aka n'uto. Nchọpụta ya nyere aka maka ịchọpụta etu asụsụ si didebe mkpa maka uto echiche nwata ọ bụla.

**Nchịkọta Ntụleghari Agụmagụ**

N'agụmagụ ndị a niile a tụlegharịrị, a chọpụtara na ọtụtụ ndị mmadụ agbaala mbọ ime nchọcha iji kwado otu ndị na-ekwu na asụsụ nwere agba nye echiche. N'agbanyeghi mbọ niile ha gbara, o nwebeghi onye derela maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo. ọ bụ nke a ka nwanchọcha ji kaa obi ịbagide ọrụ nchọcha a.

**Atụtụ Nchọcha**

Nchọcha a ga-agbaso atụtụ Sapir na Whorf (1948). Edward Sapir na nwata akwụkwọ ya bụ Benjamin Lee Whorf bụ ndị bụ isi a hụrụ wee kwaba okpu n'atụtụ a. Ha na-akọwa na ọ bụ site n'asụsụ mmadụ ka onye ahụ sị ahụta ụwa. ọ bụ site n'asụsụ ka mmadụ si eche echiche. ọ bụ ebe asụsụ onye ọbụla jedebere ka echiche ya na-ejedebe. Ya bụ oge, gburugburu na nsirihụ dị iche iche na-adị iche site n'asụsụ ruo n'asụsụ.

Whorf chọpụtara nke a mgbe o mere nchọcha pụrụ iche site n'inyocha asụsụ Hopi na asụsụ ozurumbaọnụ nke ndị Iroopu. ọ chọpụtara na etu asụsụ ndị Hopi si dị iche n'asụsụ ozurumbaọnụ nke ndị Iroopu, etu ahụ kwa ka echiche ha si dị iche. ọ bụ etu a ka Whorf si gbado ụkwụ na nkwenye onye nkụzi ya bụ Sapir wee tụpụta atụtụ a.

Ka o si dị, atụtụ Sapir na Whorf gbara mkpị. Ha dị agba abụọ pụtara ihe n'atụtụ a. Ha bụ agba ike na agba nro.

**1) Agba ike:** Nke a bụ agba nke a kpọrọ mkpebi asụsụ. ọ bụ agba atụtụ na-akọwa na-asụsụ na-ekpebi etu ndị nwe ya si eche echiche nakwa etu ha si ahụta ụwa.

Agba a riri mperi nke ukwuu maka na ndị mmadụ katọrọ ya maka na ọtụtụ ndị mmadụ ekwenyeghi na asụsụ

nwere mkpebi bụ ejechaa agwụ n'etu ndị nwe ya si eche echiche nakwa etu ha si ahụta ụwa.

**2) Agba nro:** Nke a bụ agba nke a kpọrọ nnwemagba asụsụ. Agba nke a na-akọwa na asụsụ ọbụla nwere agba nye etu ndị nwe ya si eche echiche. ọ bụ agba nke a ka ndị mmadụ ka wee nabata. ọ bụ nchọcha e mere n'agba nke abụọ a ka e ji nweta agba nke atọ bụ mmekọrịta asụsụ na echiche. ọ bụ eziokwu na agba nke atọ a apụtaghị ihe nke ọma, ọ na-adabere n'agba nro wee na-arụ arụ. ọ bụ ya bụ agba kacha dị nro. ọ na-akọwa na asụsụ dị iche iche na-akpata omume dị iche iche dị ka o si metụta asụmasụ. ọ na-akọwa na asụsụ nwere agba nye echiche.

ọ bụ atụtụ a ka ndị kwenyere na asụsụ nwere agba nye echiche ji arụ ọrụ ọtụtụ oge, maka na o nyere aka n'ịkọwami nnwemagba a nke ọma. Ya bụ na edemede a ga agbado ụkwụ n'agba nro wee na-enye nkọwa.

**Mpụtara Ihe Nnwemagba Asụsụ Nye Echiche na Nsirihụ Ndị Igbo**

Nnwemagba asụsụ nye echiche dị ka o si dị na nsirihụ ndị Igbo pụtara ihe n'ebe ndị a:

**a) Etu ndị Igbo si Agụ Ihe Aha**

Etu ndị igbo si agụ ihe aha gosiri na asụsụ nwere agba n'ebe echiche nọ. Nke a pụtara ihe n'ụzọ ha si agụ ihe ọkpụ aha nakwa ụzọ ha si agụ ihe mbịa mbịa aha.

**i) Ihe ọkpụ**

Ndị Igbo na-agụ ihe ọkpụ aha dị ka nsirihụ asụsụ ha si dị. Aha ndị a na-akwụrụ onwe ha na achọghị ihe mgbakasa ọbụla.

ọmụmaatụ: ekwe, ụlọ, ọgwụ, elu, ntị, nkata, ụgbọ, mmiri, ala, ọnwa, atụrụ, kpakpando, wdg. ọ bụ ihe ndị dị n’asụsụ ha ka ha si eche echiche. Ihe ndị adịghị n’asụsụ ha anaghị abịa ha n’echiche.

**ii) Ihe Mbịa Mbịa**

Ndị Igbo na-esi n’ihe ndị dị n’asụsụ ọkpụ ha wee na-enye ihe mbịa mbịa aha; maka na echiche ha gbadebere ụkwụ n’ihe ndị dị n’asụsụ ha. ọ bụ nke a kpatara na aha ihe mbịa mbịa na-abụkebe okwu a gbakwụnyere ihe; mana a bịa n’asụsụ nwe ihe ndị ahụ (dị ka asụsụ Bekee), ha na-abụkarị otu mkụrụokwu kwụụrụ onwe ya. ọmụmaatụ:

Ekwentị - Hand-phone

ụlọọgwụ – hospital

ụlọakwụkwọ – school

ụlọahịa – Market

ụlọọrụ – Office

ụlọụka Church

ụlọezumezu – Auditorum

ụgbọala – motor

ụgbọelu – aeroplane

ụgbọmmiri – ship

ụgbọoroko - train

ọmụmaatụ ndị a gosiri na ọ bụ ihe ọkpụ abụọ ka e jikọtara ọnụ wee nye ihe mbịa mbịa ndị a aha. Nke a gosiri na

ọ bụ echiche si n'asụsụ ọkpụ ka e si nweta aha ọhụụ ndị a. O gosiri na ha adịbughi n'echiche ndị Igbo maka na ha adịbughi n'asụsụ ha. Ya bụ na e wepu echiche si n'asụsụ Igbo, a gaghị enwe ike ịgụ ihe mbịa mbịa ndị a aha.

**b) Ihe Nhụrụnuche dị Iche Iche**

Ihe ndị a naghị ahụ anya nwegasịrị aha n'asụsụ Igbo iji gosi na ọ bụ n'asụsụ ka echiche si epulite. E wepu asụsụ, ihe ndị a agaghị adị n'echiche ndị Igbo maka na a naghị ahụ ha anya.

ọmụmaatụ: ndị mmụọ, eluigwe, ọkụ mmụọ, ịhụnanya, eziokwu, wdg.

ọ bụ echiche asụsụ nyere ihe nhụrụnuche ndị a ka ha na-enwe n'ebe ndị nwe asụsụ ahụ nọ. O nwebeghi onye hụrụ ndị mmụọ anya mara ka ha dị; mana ọ bụ site n'asụsụ ka ha si enwe echiche n'ime mmadụ. E wepu asụsụ, o nweghi onye ga-enwe echiche ọbụla maka ihe nhụrụnuche. Nke a gosiri na asụsụ nwere agba nye echiche.

**Ch) Okwu Mbite**

Okwu mbite bụ otu ụzọ ndị Igbo si egosi na asụsụ nwere agba nye echiche. Ha bụ okwu ndị adịbughi n'asụsụ Igbo nke pụtara na ha adịbughi n'echiche ndị Igbo.

ọmụmaatụ: Sayensi, kọmputa, osikapa, Bishọpụ, Aatị, fakọlti, Poopu, mango, windo, oroma, karọtụ wdg.

Otu ihe ọzọ pụtara ihe bụ na ọtụtụ okwu mbite na-ada iwu ndakọrịta ụdaume Igbo. Ha anaghị agbasocha iwu nsupe asụsụ Igbo dị ka o si metụta ndakọrịta ụdaume. ọmụmaatụ: Kpakpando, kukumba, kabeeji wdg.

ọ bụ mgbe asụsụ bitere okwu ka ha na-enwe echiche n'ebe ndị nwe asụsụ ahụ nọ. ọ bụrụ na asụsụ enyeghi ihe ndị a aha, ha agaghị enwe echiche ọ bụla. Mgbe okwu ndị a were aha, ha abanye n'echiche ndị Igbo nke na a kpọọ nke ọbụla aha, onye Igbo ọbụla aghọta ihe a na-ekwu maka ya.

**d) Site n'Imepụta Ihe ọkpụ**

Etu ndị Igbo si emepụta ihe ọkpụ gosiri na asụsụ Igbo nwere agba nye echiche n'ebe ndị Igbo nọ. Tupu ọbịbịa ndị ọcha n'ala Igbo, ihe ọkpụ niile ndị Igbo mepụtara bụ site n'ihe ọ dị ka Chi si kee ya nke gosiri na ọ bụ n'ebe asụsụ ha jedebere ka echiche ha jedebere.

ọmụmaatụ:

1) Ha si n'igu nkwụ emepụta azịza e ji aza ụlọ.

2) Ha si n'osisi dị iche iche atụpụta ekwe, ikwe, ọdụ, ọja

3) Ha na-eji aja ụrọ arụ ụlọ ma were ahịhịa dị n'ọhịa kpuchie elu ya.

Nke a gosiri na n'oge ochie, o nweghi mgbe ndị Igbo ji eche echiche maka ịrụpụta ụgbọala maọbụ ịnyịnyaigwe, maka na ihe ndị ahụ adịghị n'asụsụ ha nke mere na ọ dịghị ha n'obi; mana ka afọ na-aga, ụfọdụ ihe mbịa mbịa na-ewere ọnọdụ n'ala Igbo, ndị Igbo a mụrụ n'oge ọgbara ọhụụ na-ahụta ihe ndị mbịa mbịa dị ka ihe ọkpụ. Nke a mere ka echiche ha na-agbanwe banyere imepụta ihe ọhụụ. ọ bụ ya mere ndị Igbo ji arụpụta ihe ọhụụ site na sayensi na nkanụzụ. Maka na ihe ndị ahụ adịla n'asụsụ Igbo nke pụtara na ọ dịkwu n'echiche ha.

**e) Nsinakwụkwọnsọ**

A bịa n'akwụkwọ nsọ e gosiri na ntọala ndịiche dị n'asụsụ butere ndịiche dị n'echiche. N'akwụkwọ Mbido 11: 1-

9, e gosiri etu ndị mmadụ si chọọ iwu ụlọ elu ga-etolu n'eluigwe ka ha hụ Chukwu anya. Chukwu tinyeere ha ọgbaghara site n'iwetere ha ndịiche n'asụsụ, ndịiche n'asụsụ a weteere ha ndịiche n'echiche. Nke a mere na ha anakwaghị aghọta ihe ibe ha na-asụ. Maka na echiche ha adịla iche niihina asụsụ ha dị iche.

Nke a gosiri na asụsụ nwere agba nye echiche, maka na ndị a e gosiri n'akwụkwọ nsọ na-asụbu otu asụsụ ma nwee otu echiche nke mere ha ji kwekọrịta, kpebie ịrụ ụlọ elu; mana mgbe e tinyere ndịiche n'asụsụ ha, ndịiche batakwuaziri n'echiche ha.

**Nchịkọta**

Na nchọcha a bụ maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo, a hụrụ ka ndị mmadụ si gbaa mbọ igosipụta na asụsụ nwere agba nye echiche. Mana n'ime mbọ ndị ahụ niile, o nweghi onye derela maka nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ ndị Igbo. Nke a mere ka nwanchọcha gbaa ọbara iji hụ na e mere nchọcha dị otu a na nsirihụ asụsụ Igbo. Mgbe e mechara nchọcha a, a chọpụtara na nnwemagba asụsụ nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo pụtara ihe n'etu ndị Igbo si agụ ihe ọkpụ na ihe mbịa mbịa aha, nke a pụtakwara ihe site na ihe nhụrụnuche nwegasịrị aha n'asụsụ Igbo. E sikwuazi n'okwu mbite egosipụta nke a nakwa site n'etu ndị Igbo si emepụta ihe ọkpụ dị iche iche. ọzọkwa bụ ọmụmaatụ si n'akwụkwọ nsọ nke na-akọwa na ndịiche n'echiche sitere na ndịiche n'asụsụ.

**Mmechi**

Na mmechi, a chọpụtara na nwanchọcha mejuputara ebumnobi ya nke bụ ịchọpụta etu asụsụ si nwe agba nye echiche na nsirihụ asụsụ Igbo.

**Nrụmaka**


Akwanya, A. N. (1999). *Language and habits of thought.* Nsụkka: Afro-Orbis Publishers

Anedo, O.A.A. (2013). The interactions of culture, language and cognition. *Igbo Scholars Journal*, Vọl. 1, 116 – 137

*Caianiello, E. R. (1961). "Outline of a theory of thought-processes and thinking machines". Journal of Theoretical Biology. 204–35*. Retrieved June 27, 2017.

Ewelu, B. I. (2010). *Language and thought: A problematiọue in African philosophy*. Enugu: Delta publications.

Langacker, R. W. (1991). *Foundations of cognitive grammar 2*. Standford: Standford University Press.

Piaget, J. (1968). *Le langage et la pensee chez l'enant.* Neuchatel: Delachauụ et Niestle

Pinker,S. (2008). *The stuff of thought: Language as a window into human nature*. New York: Penguin Books

Lehman, J. F., Newell, A., Polk,T. & Lewis, R. L. (1993). "The role of language in cognition: A conceptual inọuiry" In: Geirsson, H. &

Losonsky, M. *Reading in language and mind*. Oụford: Oụford University Press.

Lyons, J *(1981). Language and linguistics. Cambridge: Cambridge University Press*

Trask, R. L. *(2007). Language and linguistics: The key concepts* New York: Harvester Press Limited

Van, V. Robert, D. *(2001). "Functional linguistics". In: Mark Aronoff, M &*

*Rees-Miller, J. The handbook of linguistics.* Oxford: Oxford University Press.

Whorf, B. L.(1956). *Language, thought and reality*. Cambridge, MA: MIT Press.